Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.8 No.1 March, 2025; p.g. 179 – 186; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)

ỊKPỤ ỤZỤ DỊ KA ỌRỤNKA EKEREUCHE NA-ENYE EGO

JOY IFEADIKANWA OBAYI, Ph.D
Humanities Unit, School of General Studies/Art Education
University of Nigeria, Nsukka
Email: joy.obayi@unn;edu.ng ,

BRIDGET OGECHI DIOKA
Centre for Igbo Studies. University of Nigeria Nsukka
Email: bridget.dioka@unn.edu.ng
&
PEACE EBERE UDENSI, Ph.D
Humanities Unit, School of General Studies/Linguistics/Igbo
University of Nigeria, Nsukka
Email: ebere.udensi@unn.edu.ng

ỤMỊ EDEMEDE

Ịkpụ ụzụ bụ mmadụ iji igwe kepụta ihe ọhụrụ nke bara uru ma na-enyekwa ego. Ndị na-eto eto enwekwaghị mmasị ịkpụ ụzụ. Ha na-ahụ ya dịka oke ọrụ siri ike, na-emechu mmadụ. Ndị na-eto eto agaghị achọ imetọ ahụ ha site n'ịnọdụ ala ebe a na-akpụ ụzụ. Ma dị ka otu ihe siri kwụrụ n' ọgbara ọhụrụa, ịkpụ ụzụ bụ ọrụ nka dị oke mkpa agaghị eleghara anya.Ọnọdụ chere ụwa aka mgba ọkachasị ala Naijiria bụ ihe ndị ọlọrọhụrụ ga-agba mbọ ghụchaa ụbụrụ ha ịhụ ka ihe si aga n'obodo taa ma sobe ya n'ike iji merie ọnọdụa. Ọtụtụ ndị ntoroọbia na-eji aka ha egbu onwe ha ma ọ bụrụ na ike ụwa agwụ ha. Ma ha nwee akaọrụ ọgaghị enwe ihe ga-agbawa mmadụ obi nke mmadụ igbu onwe ya. A gbara ọtụtụ ndị mmadụ ajụjụ ọnụ iji mata ọnọdụ ịkpụ ụzụ n'Ọka ugbu a. A tụnyekwara aro otu ọ ga-esi dị mma dịka:1. Ime ka ndị na-eto eto nwee mmasị n'ịkpụ ụzụ site n'inweta ngwa ọhụrụ eji akpụ ụzụ ga-arụ otu ọrụ ahụ ngwa ndị ochie na nke ndị ime obodo na-arụ. 2. Ịhụ na onye na-akpụ ụzụ nyefere ọmụmụ a n'aka ndị na-eto eto n'atụfughi oge ọ bụla ma ọ bụ zochie mmụta ha site n'ime ka ha ghọta uru na ọghọm dị n'izochi ihe ọmụmụ ọkachasị n'ebe onwe ha nọ.

Igodo Okwu : Ịkpụ ụzụ, Ọkpụ ụzụ, Ọrụ nka, Ekereuche, Inye ego.

MKPỌLỊTE

Ịkpụ ụzụ bụ otu ọrụ nka a na-ahụ n'omenala Igbo na mpaghara Ọka.Ọ bụ ụzọ a na-esi n'igwe akpụpụta ihe dị iche iche. E nwere ike ịkpụgharị ya ọzọ n'ụzọ dị iche iche otu o sị masị onye na-akpụ ụzụ ma ọ bụ ọkpụ ụzụ. Ọ na-esi n'aka efere n'aka si n'agbụrụ ruo n'agbụrụ. Ya bụ, a na-ahụ ya n'ezinụlọ. Oge ụfọdụ, Ezinụlọ ọ bụla a maara amara maka ya anaghị achọ inyefe ya n'aka ndị ọzọ. N'oge ochie, mgbe ndị mmadụ ka na-enwe afọ ojuju, ndị mmadụ na-eji ya emere aka ọrụ ebe ha si enweta ihe ha ji enyere ndụ aka. Ha na-eji ya atụ mgbere ahịa enweta ihe ha ji enyere ezinụlọ ha aka. Otu a ka ọ ga-esi na-aga n'usoro n'usoro mana ọtụtụ enwetaghị ụdị ohere ịkpụ ụzụ a. N'agbanyeghị nke a, ụfọdụ ezinụlọ dịkwa njikere inweta ndị chọrọ ịmụ aka ọrụ a ma mụchaa ya mepee nke ha. Ihe bụ nsogbu bụ na ndị ntoroọbịa agaghị achọ ịmụ ụdị aka ọrụ a ịmata otu e si akpụ ụzụ. Ụfọdụ nwere ike ịsị na ọ bụ ihe siri ike, ụfọdụ ndị ọzọ

nwere ike ịhụ ya dị ka ọrụ na-emetọ mmadụ n'ihi ụzọ na usoro e si akpụ ụzụ. Ọtụtụ ndị na-eto eto ga-achọ ọrụ na-eme mmadụ adị ọcha ma bụrụ ọrụ na-akwenyere mmadụ ugwu ebe ha ga-adigide ọcha site ụtụtụ ruo abalị. Mana ha amaghị na ịtikọta ọrụ na ihe akụ ọnatarachi bụ ọrụ na-amịta ezi mkpụrụ. Ọkọwa okwu Wikipedịa azụmahịa kwuru na a bịa n'akụ na ụba, ọrụ ịtụ mgbere ahịa etikọtara ya na ala, ọrụ, akụ ọnatarachi na isiego ga-emepụta uru ahịa. Ọtụtụ ndị nnukwu mmadụ ndị a ama ama n'ụwa niile malite na Naịjirịa sitere na ngwa okike ha na-enweta na-esi na ya emepụta ihe ndị ọzọ na-amịtara ha mkpụrụ wee kulite. Iji maa atụ, Dangote nwere ụlọ ọrụ ebe a na-emepụta simenti n'etiti ugwu ebe a na-esi n'ala egwupụta akụrụngwa e ji eme ya, kụwasịa ya ma were ya mepụta "simenti".

Usoro dị etu a dabara n'atụtụ Laosby (2002), nke hụrụ onye ọchụ nta ego dika onye na-ekepụta ohere. A na-enye ndị mmadụ ọrụ site n'usoro ndị a malite n'igwupụta akụrụngwa ruo na ngwụcha bụ imepụta simenti. Nke a abụrụla ụzọ e si enyere ndụ aka ma ọ bụ enweta ihe e ji adị ndụ n'ebe ụfọdụ ndị mmadụ nọ.Ndị mmadụ nọ n'ọrụ oge ọ bụla site n'otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ na-ekepụtara onwe ha aka ọrụ kama igbu oge ha ebutere ndị mmadụ nsogbu, dị ka izuwe ohi maọbụ ịda iberiibe site n'ihe mmanya na-ebute. Onye ahụ ewere ike ahụ o nwere tinye n'ịkpụ ụzụ.

Ịkpụ ụzọ bụ otu ihe kasịnu merela ndị nwoke Igbo niile na ndụ ha. N'oge agha, ọ bụ ikpụ ụzụ a nyeere ndị mmadụ nọ n'ọwụwa anyanwu aka ịlụ agha. Ha nwere ike ịkpụ ogbunigwe na ngwa agha ndị ọzọ nyeere ndị agha Biafra aka ịlụ agha lụsa nnukwu ndị agha Naijirịra siri ike agha nke na ahụ gbachara ndị Naijiria n'agha ahụ a lụrụ. Onweghị ndị isi nọ n' ọchịchị oge ahụ amaghị na ndị Igbo abụghị ndị a ga-eji gwuo egwu. Ọ bụ agha ahụ butee egwu ndị Naịjiria ka na-atụ ndị Igbo n'ihi na ha amaghị ihe ha nwere ike ime. Afọ atọ a lụrụ agha a bụ agba gburu ọtụtụ ndị mmadụ, ma nwoke ma nwaanyị. Ọganiihu na mmepe kwụsị n'obodo Naịjiria. Ọ bụ ndị na-akpụ ụzụ na-arụpụta ụdị egbe dị iche iche nagbanyeghị na ekweghị ka ha nweta enyemaka n'aka ndị mba ọzọ. Ndị ọkpụ ụzụ jikọbara ụmụ ngwongwo niile e nwere n'ala Igbo were na-akpụpụta ọgbara Igbo ghariị.

Ngwa niile na akụrụngwa niile ọkpụ ụzụ wekọtara site n'ime obodo nakwa ngwa ndị ọzọ mebiri emebi ka e wekọtara gbazee ya n'ọkụ kpụgharịa ha ọ ghọrọ ihe ndị ọzọ bara uru. N'agbanyeghị na e meriri ndị Biafra n'agha a, mana ha lụrụ agha a, anụ ụda ya. Ndi Naịjirịa agaghị asị na ahụ anụghị ha ọkụ n'aka ndị obere obodo a bụ Biafra chere ha aka n'ihu. Ngwa agha niile ha jiri lụọ agha bụ n'ime obodo ka e mere ha site n'ịkpụ ụzụ. Ngwa agha ndị a siri ike ma dịkwa nkọ. Nke a bụ otu uru ịkpụ ụzụ bara.

Ụmụakwụkwọ Sekọndịrị na-arụ ọrụ igwe na Koleji Tekinikal ebe ndị nne na nna na-ahụ uru nke a bara n'ebe ụmụ ha nọ. Ndị nne na nna oge ụfọdụ na-eziga ụmụ ha na Tekinikal Koleji iji kụziere ha ụfọdụ aka ọrụ dị iche iche. Aka ọrụ ndị a bụ ihe na-edobe nri na tebụlụ ndị mmadụ. Ọ na-eme ka ụmụaka nọọrọ onwe ha kwudosie ike n'aka ọrụ ha na-eme, ghara ịnọ nkịtị na-enweghị ihe ha na-eme mgbe ha gụchara Sekọndịrị. Tụmadị ihe a na-ahụ n'oge ugbu a, oge a na-agụchaa akwụkwọ ma a hụghị ọrụ a ga-arụ dị ka ọrụ Bekee. Ọ bụ ndị nwere akaọrụ bụ ndị ọ na-agara, n'ihi na nri ọnụ agaghị anyị ha ma ha gana-enwetakwa ego ha ga-eji gbooro onwe ha mkpa ghara iche mgbe e nyere ha, ha egboo mkpa. Ọ na-emekwu nne na nna ka uche ghara igbu ha n'ihi echiche ihe ha ga-eme ka ụmụ ha baa n'ihe.

Ụmụaka maara ihe na-ejizi aka ha achọ akaọrụ dị iche iche ha gana-eme; ma ụmụ nwoke ma ụmụ nwaanyị, onye ọ bụla na-azọzi onwe ya n'ihi ihe ụwa nyere n'oge ugbua, dị ka Obayi, Udechukwu,na Udensi (2023) kọwara na a kwụghị otu ebe ekiri mmọnwụ. Nke pụtara na onye ọ bụla gana-agba mbọ ụzọ dị iche iche iji hụ na o nwetere ihe ọ na-achọ. Ọ bụ ihe mee mmadụ ọ mụrụ akọ. Kama mmadụ gana-akwụgharị na-achọ nke mmadụ ọ ga-ewere n'ụdị ohi, ọ kara mma na onye ahụ baara onwe ya uru n'ịmụgasị ihe ga-enyere ndụ ya aka n'ịga n'ihu. Ọtụtụ bụ ike isi ka ha gara mụọ. Akaọrụ a asọghị nwoke ma ọsọghị nwaanyị. Onye ọ bụla pụrụ ime ya. Otu nke a dị bụ na ụmụ nwaanyị na-achọ ka ọ bụrụ ụmụ nwoke na-edozi ha isi. Ọtụtụ siri na ụmụ nwoke na-atule ahụ edozi mmadụ isi karịa ka ụmụ nwaanyị si eme. Ụmụ nwaanyị n'out aka ahụ na-akpụkwa ụzụ makana enwegasịrị ụmụ nwaanyị bụ njinia. Ọ bụ nke onye kpebiri ịrụ ka ọ ga-arụ.

Nkọwa Doro Anya Banyere Isiokwu Ụfọdụ

Ịkpụ Ụzụ

Nke a bụ ihe omume ekereuche a na-eme site n'iji akụrụngwa ndị sitere n'ime obodo mepụta ihe ndị e ji igwe emepụta. A na-ahụkarị nke a na mpaghara Ọka na Steeti Anambra. Ọ bụ ụzọ e si eji igwe akpụ ihe dị iche iche. A na-eji eko akwa ọkụ ka o ruo n'ogo ọ ga-agbaze igwe, e jiri ya kpụọ ihe ọ bụla a chọrọ ịkpụ.

Ndị aka ọrụ a na-agakọrịta n'ezinụlọ. E nwere ezinụlọ ndị a maara maka ụdị aka ọrụ a. Ọ pụtaghị na o nweghị ndị ọzọ/onye ọzọ nwere ike ime ya mana o nwere ndị na-akpachi ihe ha nwere ma ọ bụ ihe ha maara ka ndị ọzọ hapụ isonye ha mata ya ma ọ bụ mụta ya n'efu. Ha ga-enwe ike ikwe ka i were ihe ọzọ gbara onwe ihe ahụ dịka iji ego bịa mụọ aka ọrụ ahụ. N'usoro ịkpụ ụzụ, mmadụ nwere ike ịkpụ egbe n'ụdị dị iche iche, kpụọ oche, tebụlụ, akwa, ite, ekwu igwe, ọgụ, mma na ndị ọzọ. Ọtụtụ ihe a, a na-akpụpụta n'ụzụ nke na-abara mmadụ uru ma na-enyekwa onye na-akpụ ya ego. Ihe dị ka ọla ntị, ọla onu, ọla aka ,ite ọla, igbe e ji awụnye akwa nakwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ dị iche iche. O nwere ndị ji ịkpụ ụzụ mere akaọrụ.

Ịkpụ ụzụ bụ akaọrụ dị ọkpụ tọrọ ọkpụ nke na ọ bụzi akaọrụ ezinaụlọ na-akpụ ya. Ọ bụ akaọrụ mmadụ ekwesighị iji gwuo egwu n,ihi na ọ na-enye ego. Ndị maara ihe ugbu a, na-eji aka ha achọ ka ha mụta ya. Nke a ga-amlite site n'onye a na-akụziri ige nti.

Ige ntị bụ ntọala wee nye amụmamụ niile. Ọ bụ mgbe mmadụ nụrụ ma ghọtakwa ihe a na-ekwu ka onye ahụ ga-enwe ike leruo anya ma hụ ihe a na-akụziri ya. Ọ bụ ige ntị bụ nka mbụ n'ịmụ ihe a mụrụ amụ nke buzi nka ndị ọzọ e nwere na ụzọ nka anọ e nwere n'ọmụmụ asụsụ bụ ige ntị, ikwu okwu, ịgụ ihe na ide ihe maọbụ asụgharịa ya; ọnụnụ, okwukwu, ọgụgụ na odide. Ma n'ime ha anọ, ọnụnụ bụ mbụ. Ọ bụ ya ka Jayakumar(2022) jiri sị na ọnụnụ na-akpali nghọta n'ihi na ọ bụ nka nnabata. Ige ntị gbasara mmadụ iwepụta ọtụtụ oge jikọta echiche otu ebe ka ụbụrụ nabata ma tụgharịa ihe onyenkụzi na-akụzi ma ọ bụ ihe okwuu na-ekwu. Ọ bụ ya ka Djabborova (2020) jiri kọwaa na ige ntị gbasara: mmenwo, nkwugharị na nnwale. Ọ bụ ihe ndị a ga-enye aka ịmata ma onye a na-akụziri ihe ọ na-aghọtakwa ma ọ na-esonyekwa. Ọ na-adịkwa mma ka a na-agbakọ aka n'ikpụ ụzụ maka na echiche echekọrọ ọnụ na-amịta mkpụrụ(Obayi na Ugbor 2014). Echiche mmadụ abụọ tụkọrọ isi ọnụ chee kwesịrị ịmịta mkpụrụ karịa.

Ọkpụ Ụzụ

Nke a bụ onye na-eji igwe emepụta ihe dị iche iche (onye ọkpụ ụzụ). Ọkpụ ụzụ, ọtụtụ oge anaghị akpụ ụzụ naanị ya. O nwere ndị mmadụ na-enyere ya aka n'ịkpụ ụzụ. Ọ na-enwe ndị na-ama eko ya na ha na-anọ oge niile na-amara ya eko. Ọkpụ ụzụ na-eji igwe dị iche iche na-emepụta ma na-akpụpụta ihe dị iche iche. Ọ bụ odogwu nwere amara n'iji igwe ekepụta ma na-emepụta ihe. Ọ na-enwe karị onye na-anọ ya nso n'ụlọ ọrụ ya mgbe niile ma ọ bụrụ godu ma ọkpụ ụzụ pụọ. O nwekwara ndị ọ na-azụ n'ọrụ ga-emecha mepee nke ha iji nweta ego e ji ebi ndụ. Ọkpụ ụzụ, oge ụfọdụ na-enwe ebe a maara ya. Oge ụfọdụ ọ bụrụ nzuruọha. Ndị mmadụ na-aga ọmụmụ ihe n'aka onye ọkpụ ụzụ onye ga-akụziri ndị na-eto eto ma gosị ha na ọrụ ịkpụ ụzụ dịka otu o si adị n'afọ 1970 ga, ka mma karịa otu ọ dị na sechuri iri abụọ na otu a**.**

Ụfọdụ ndị ọkpụụzụ na-enwe ebe ha chọrọ ka e jiri mara ha, dị ka atụtụ mmụta Kaiser (2012) si kwuo ya na e nwere ndị bụ ọkacha n'otu ebe mana e nwekwara nzuruọha n'ihe gbasara akaọrụ. Na mmadụ na-akpụ naani ite ọla apụtaghị na ọmaghị akpụ egbe ma ọ bụ ọgụ, kama ọ bụ ite ọla bụ ihe ọ chọrọ ka e jiri mara ya. Ndị ọzọ bụrụ nzuruọha n'akaọrụ n'ihi na onye ahụ mụrụ ọtụtụ akaọrụ na nka dị na ya. Nke onye chọrọ, onye ya mana nke a abụghị ihe ndị Bekee na-akpọ *jack of all trades and master of non* nke pụtara na ọ mụzuru amụzu mana o nweghị nke o ji n'aka. Ọ bụghị ụdị a, kama na ọ bụ na ọrụ doro onye ahụ anya n'ọtụtụ ihe. I lekwaa anya n'ihe ọ na-arụpụta ị hụ na ọ maara ọrụ.

Onye Ọchụ Nta Ego

Onye a bụ mmadụ nwere ike ihibe azụmahịa banyere nnukwu ego. Nke a pụtara na onye ọchụ nta egọ na-abanye n'ihe ize ndụ imepe azụmahịa ma nwee nchekwube inweta ego n'ime ya ma baa ụba. Oge ụfọdụ onye ọchụ nta ego na-aga ebi ego n'ụlọ ọba ego ma ọ bụ n'aka ndị na-ebinye ndị mmadụ ego iji mepee azụmahịa ha na-eleghị anya n'azụ. Ọ bụ nke a mere ụfọdụ ndị nọ n'ihe ize ndụ dị otu a anaghị ele mmadụ anya n'ihu itinye nnukwu ego n'azụmahịa ha. Ndị mmadụ na-aghọtahie ha ịkpọ ha aha dị iche iche n'ihi ha anaghị enye ndị mmadụ nọ ha nso ego na-amaghị nsogbu onye ahụ nwere. Onye ọchụ nta ego bụ onye nwere ike ịchọpụta nsogbu ma nwee ike gboo ya bụ nsogbu ahụ. Ọ ga-enwe ike chepụta ma kepụta echiche ma gbaa mbọ tinye ego na ya na-agbanyeghị ego ole ọ ga-apụta. Ọ na-eze ndụ oge ọ bụla echiche batara n'uche ịmalite azụmahịa n'obere ohere ọbụla o nwere. Nke a dịka otu Madueme (2014) si kọwaa ya na ihe e ji mara agwa onye na-achụ nta ego bụ na onye ahụ ga-abụ onye nwere ike ichepụta ezi echiche ka e si ekepụta ihe ka ọ baa uru. Echiche ahụ o chepụtara ga-emechaa tugharịa ghọọ ego.

Nka

Nke a bụ iji echiche echepụta ihe dị iche iche dị ka ọ dị. Oge ụfọdụ, ikwupụta echiche nwere ike ịbụ n'ụdị ihe osise, ihe ọkpụkpụ maọbụ ihe eserese na eterete. bụ ikwupụta mma dị ka okike siri hụ ya. Ọ bụ oke dị iche iche maka ọrụ mmadụ na-arụ n'ikepụta ihe a hụrụ anya, ihe a nụrụ na ntị maọbụ imepụta ihe ọkpụ, ikwupụta echiche nkọwa odee maọbụ aka ọrụ nke n'ụzụ nke ebumnobi ya bụ ka e kelee ya maka mma ya na ike mmetụta obi ya.

Dịka otu Wikipedia siri kọwaa ya, nka na-arụtụ aka n'atụtụ na ekwumekwu a hụrụ anya nke ekereuche a na-ahụ n'obodo mmadụ na omenala ya. E nwere ike isi na nka nke a dị iche na

nke ndị ọzọ dị iche iche dịka nke nka a hụrụ anya, ahụmihe ihe ọbụla a hụrụ anya jiri uche kepụta site n'ikwupụta aka ọrụ e bụ n'uche. Nka gụnyere ozi dị iche iche dịka, etemete, ihe ọkpụkpụ, eserese, nka ịchọ mma, ibipụta akwụkwọ, ise foto na imepụta nka ndị ọzọ dị iche iche.

Ekereuche

Ekereuche bụ ọdịdị mmadụ dịka etu Chukwu siri nye mmadụ iwu ka ọ gaa n'ime ụwa gaa mụbaa (Gen. 9:7). Mmadụ dịka onye nwere ọgụgụisi na-achọ ihe ọ ga-ekepụta oge niile. Nwoke Igbo ọkachasị ndị si Ọka na-akpụ ụzụ na-enye ego site n'iji igwe emepụta ihe dị iche iche dịka oche, akwa, tebụlụ, egbe, mma, ọgụ na ihe ndị ọzọ dị iche iche nọ n'ụdi dị iche iche.

Nke a bụ ikike iche echiche banyere ihe dị iche iche ma nwee ike imepụta ihe ọ bụla site n'ihe ichepụtara n'uche gị. Onye na-akpụ ihe na-eche ihe n'obi ya ma mepụta ihe ọ bụla site n'ihe ahụ o chepụtara ya abụrụ ihe a hụrụ anya bara uru. E nwere ike ịsị na mmadụ nwere ekereuche ma ọ bụ mmadụ nwere ike ịkepụta ihe mgbe mmadụ nwere ikike imebe ihe site n'ihe na-abụghị ihe, n'ikpeazu ihe ahụ a dị etu chi ya siri kee ya ma makwaa mma. Ọ na-ewe mmadụ ịmara ihe nke ọma ma nwee ikike ikepụta ihe. Onye na-akwa akwa nwere ike inwe ekereuche maọbụ ike ikepụta ihe n'akwa ọ na-akwa site n'ịkepụta ụdị ọkwụkwa akwa dị iche iche nke na o nwebeghị ebe a hụrụla ya mbụ site na mpempe akwa a tụfuru atụfu. Nke ahụ abụrụ ihe ga na-ewu ewu dịka ụdị ejiji pụtara ọhụrụ mara mma. Ọ bụ ya ka ọkpụ ụzụ gana-ege mmụọ ya ntị ighọta ihe mmụọ ya na-akụziri ya mee. Otua ka ọ ga-adịkwa maka onye na-amụ ịkpụ ụzụ. Ọ ga-ege ntị nkụzi a na-akụziri ya ma na-elekwa anya nke ọma were ghọta ihe a chọrọ ka o mee.

E nwere ike ịhụ ekereuche site na onye na-agụ egwu maara usoro egwu ya nke ọma. O nwere ike ikepụta egwu site n'ihe ndị ọ hụrụ anya na ahụniihe ya, ya abụrụ egwu na-ewu ewu n'oge ahụ. Ekereuche na-achọ amamiihe na ọgụgụisi ịnye mmadụ ahụ ikike iche echiche nke ọma chepụta ihe nwere isi. A bịa n'ebe ọkpụ ụzụ nọ, o nwere ihe dị iche iche o bu n'obi nke na-enyere ya aka ikepụta ọtụtụ ihe nke ga-apụta ihe a hụrụ anya n'ikpeazụ.

Ajụjụ Ọnụ Ndị a Ka A Gbara Iji Nweta Ozi Gbasara Ịkpụ Ụzụ na Mpaghara Ọka

Ndị Nchọcha:	Ị bọọla chi nna m ukwu
Ndị Agbara Ajụjụ:	Ị bọọla chi onye nke m, kedụ ka I mere?
Ndị Nchọcha:	Adị m mma kedụkwanụ ka i mere?
Onye Ụsa Ajụjụ Ọnụ:	Adị m ezigbo mma.
Ndị Nchọcha:	Biko Nna m ukwu, Gịnị bụ aha gị?
Onye Ụsa Ajụjụ Ọnụ:	Abụ m Amamchukwu Ibezim
Ndị Nchọcha:	Biko abụ m onye nchọcha chọrọ ịmata maka ịkpụ ụzụ n'ogbe gị ebe ọ bụ na a maara ndị Ọka maka ịkpụ ụzụ.
Onye Ụsa Ajụjụ Ọnụ:	Ọ dị mma nne m ukwu.
Ndị Nchọcha:	A nụrụ m na ndị be unu bụ ndị ọkpụ ụzụ, unu a ka na-eme ya ugbu a?
Onye Ụsa Ajụjụ Ọnụ:	Ndị be anyị bụ ndị a ma ama maka ịkpụ ụzụ mana ọ bụzi naanị ụfọdụ ndị ka a na-ahụ ka na-eme ya ugbu a.
Ndị Nchọcha:	Gini kpatara o ji dịrị otu a?

Onye Ụsa Ajụjụ Ọnụ: Ihe na-agbanwe agbanwe,ụmụaka ụgbu a achọghị ọrụ sịrị ike onye ọbụla chọrọ ọrụ Bekee na inwe ego ngwa ngwa.

Ndị Nchọcha: Ọbụladi ugbu a ọrụ Bekee na-adịghị ma ncha?

Onye Ụsa Ajụjụ Ọnụ: Ha achọghikwa inwe mmasị ime ya.

Ndị Nchọcha: Nke a ọ pụtara na ụdị aka ọrụ dị otu a ka a ga-akọ n'akụkụ oge na-adịghị anya ma ọ bụrụ na akpachaghị anya anyị nke ọma?

Onye Ụsa Ajụjụ Ọnụ: E nwere ike ịkọ ya n'akụkọ, mana ọ ka ga-ete aka n'ihi na ọ bụghị onye ọbụla gụrụla akwụkwọ. Ndị na-agụghị akwụkwọ ka nwekwara ihe ha ga-ahụ ha ga na-eme iji tinye nri n'efere nri ha.

Ndị Nchọcha: Ịkpụ ụzụ ọ bụ naanị maka ndị na-agaghị akwụkwọ?

Onye Ụsa Ajụjụ Ọnụ: Mba, a hapụghị ya naanị maka ndị na-agụghị akwụkwọ mana ebe ọ bụ na ndị gụrụ akwụkwọ nwere ihe ndị ọzọ ha na-eme; ha na-apụ ozigbo ha gụchara akwụkwọ, hapụrụ ndị na-agụghị akwụkwọ ọrụ ịkpụ ụzụ ebe ọ bụ na ha anọghị n'ụlọ. Ha nwere ọrụ ndị ọzọ dị iche iche ha ji enyere onwe ha aka ịchọta ego nri ha. Abịakwa, ịkpụ ụzụ abụghị maka mmadụ niile n'akụkụ obodo anyị. O nwere ụfọdụ ndị a maara nke ọma maka ya. A mụrụ ha, ha etoo n'ime ya. Ha zụrụ ụmụ ha ndị na-eto eto ka ha malite ebe ha kwụsịrị. Ọtụtụ n'ime ha agaghị ekwe ka ezinụlọ ndị ọzọ na-abụghị nke ha mara maọbụ ghọta ihe ha na-eme.

Ndị Nchọcha: Biko o nwere onye ọkpụ ụzụ ị ka maara nọ ugbu a?

Onye Ụsa Ajụjụ Ọnụ: Ee, amaara m Okoye Afịfịa bụ onye ọkpụ ụzụ. Ọ ka na-akpụ ụzụ ma taa.

Ndị Nchọcha: Biko Ị ga-egosị m ụzọ m ga-esị hụ ya?

Onye Ụsa Ajụjụ Ọnụ: Ee, agam egosị gị o bi na Mbaukwu. I rute ebe ahụ, jụọ maka ya, Ha ga-egosị gị ụlọ ya.

Ndị Nchọcha: Daalụ nke ukwuu nna m ukwu.

OnyeỤsa Ajụjụ Ọnụ: I meela

Ajụjụ Ọnụ ya na Okoye Afịfịa:

Ndị Nchọcha: Ndeewo nna m ukwu

Onye Ụsa Ajụjụ Ọnụ: Ndeewo nne

Ndị Nchọcha: Biko nna m ukwu, A chọrọ m ịma afọ ole kemgbe Ị na-arụ ụdị ọrụ a.

OnyeỤsa Ajụjụ Ọnụ: Kemgbe m ka dị obere, Nna m zụrụ m n'ịkpụ ụzụ. Ana m adị na-enyere ya aka n'ima eko ọkụ ebe nna m ga na-eme ihe ndị ọzọ dịka itinye igwe n'ọkụ na ịkpụ ya n'ụdị dị iche iche ka igwe ahụ na-agbaze. Ana m ahụ ka o si eme ya, ka oge na-aga, m malite jiri aka m mewe ya ruo taa.

Ndị Nchọcha: I nwere ụmụ ọrụ ndị na-amụ maka ịkpụ ụzụ?

Onye Ụsa Ajụjụ Ọnụ: Ee, e nwere m ụfọdụ ndị mmadụ ugbu a. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị si na Koleji Tekenikal ndị goomentị. Ha na-abịa abịa amụ ihe ha na-agụ n'akwụkwọ. Ihe ha na-amụ na-amasịkwa ha

n'agbanyeghị na ha na-ekwu na ọrụ ya siri ike. Mana ha na-eme ya n'ihi na ọtụtụ n'ime ha na-enweta ego na ya.

Ndị Nchọcha: Nna m ukwu, biko ka m hụ ihe ndị Ị rụpụtachara?

Onye Ụsa Ajụjụ Ọnụ: Oo, nne m ukwu.

Ndị Nchọcha: Daalụ nke ukwuu.

Mkpaṛitaụka

Ịkpụ ụzụ bụ ihe a maara nke ọma na mpaghara Ọka ma ọ bụkwa ọrụ na-aga ahịa nke ọma ma na-enyekwa ugwu. Ndị mmadụ nọ n'ụdị ọrụ a bụ ndị bara ọgaranya nke na-egosị n'ihe ndị ha nwere. Ọ bụ otu ihe na-ekwesighị ijiegwuri egwu; mana site na nchọpụta e mere na ihe ndị a chọpụtara n'aka ndị nwe ala, o gosịrị na ndị na-eto eto achọghị ụdị aka ọrụ a. Ọ bụ ndị okenye ka a na-ahụ n'ụdị ọrụ a n'agbanyeghị na oge ụfọdụ a na-ahụkwa ụfọdụ ndị ntoroọbịa ka a na-ahụ na-abịa amụ ọrụ ịkpụ ụzụ. Ọtụtụ ndị ntoroọbịa a na-ahụ bụ ụmụakwụkwọ ndị si na Koleji Tekinikal ndị bịara ịmụ ọrụ maka ihe ha na-agụ. A magbeghị ma ha ọ ga-aga n'ihu n'ọrụ a ma ọ bụ na ha agaghị aga n'ihu ma ọ bụrụ ma ha gụchaa akwụkwọ. Ha nọ ebe ahụ ugbu a ka ha nwee ike gafee n'ule ha. Ozi ndị anyị nwetakwara gosịrị na ịkpụ ụzụ na-aga n'ezinụlọ n'ezinụlọ. Ọ bụghị ezinụlọ niile na-akpụ ụzụ. Ndị a maara maka nke a na-ezochi ya n'etiti onwe ha. Ọ bụ naanị n'aka ndị ezinụlọ ha ka amamiihe nke a na-agafe. Ya bụ naanị ndị nwere mmasị n'ọmụmụ ihe n'ezinụlọ ha ka ha ga-egosị otu e si eme ya bụ ịkpụ ụzụ. Ihe kpatara ha ji ezochi ya bụ na ọ bụ ụzọ esi akpata nnukwu ego.

Nchịkọta

Ịkpụ ụzụ bụ otu ihe ekwesighị iji gwurịa egwu. Ọ bụ ihe gbasara ala anyị niile. O sila n'aka fere n'aka site na ndụdụgandụ ruo na ndụdụgandụ o kwesighị ịkwụsị na ndụdụgandụ nke a. N'ihi ya, ndị ọkpụ ụzọ nọ n'Ọka kwesịrị inyefe amamiihe ịkpụ ụzụ n'aka ndị na-eto eto ka aka ọrụ nwee ike baa ha n'ime. N'otu aka ahụkwa, ndị na-eto eto kwesịrị iwedata onwe ha ala gee ntị ịmụ aka ọrụka ha ghọta ihe a na-akụziri ha n'ihi na nke a ga-abụ ụzọ ha ga-esi enweta ego ma tinye nri n'efere ha. Nke a ga-eme ka ihe ọjọọ belata n'obodo.

Ịkpụ ụzụ bụ omenala Igbo kpụ ọkụ n'ọnụ nke na ndị ụmụ kọmpụta ndị a amaghị maka ya. Ọ ga-abụ ihe magburu onwe ya ma ụmụaka gaa njem nleta n'ụdị ebe a na-akpụ ụzụ ka ha wee hụ ihe ndị a na-arụpụta n'ụlọ ọrụ dị otu a. Nke a ga-akpalite mmụọ ha, inwe mmasị na ịnụ ọkụ n'obi ịmatakwu maka ya. Gọọmenti ga-esikwa otu a, weta ọtụtụ mgbanwe ga-enyere ụmụ ọgbara ọhụrụ aka inwekwa mmasị ịmụ ọkpụkpụ ụzụ.

Ndịna

Afịfịa, O. Oral Interview on November 03, 2019

Ashabua, D.A& Onah, G.G. (2014). Technology and Educational Delivery in French Language Teaching and Learning in Tertiary Institutions in Nigeria: Constraints and Prospects in (ed) Madueme S.I.(2014). *Enterprenurship Initiatives*. Nsukka. Jolyn Publishers

Djabborova, F.O. (2020). Ways of developing listening skills of English learners in ESL and EFL classroom. *European Journal of Research and Reflection in Educational Sciences.* 8(10), 212-216

Genesis 9:7. And you, be you fruitful, and multiply…
https://en.mwikepedia.org>wiki

Ibezim, A. Oral Interview on November 03, 2019

Jayakumar, V.M. (2022). Language acquisition among adults using listening skills. *Journal of Positive School Psychology* 6(6), 5187-5194

Kaiser, U. (2012). *A Primer in Enterreneurship Zurich*: Department of Business Administration. University of Zurich

Laosby B. J (2002). *The organization basis of cognition and the cognitive basis of organisation.*

In M. Augier and J. March. The economics of choice, change and organization essays in memory Richard M. Cyerl. Uk: Edward Elger.

Laosby B. J (2002). Content & Method: an epistemic perspective on some historical episodes, "*The European Journal of the History of Economic Thought, Taylor & Francis Journals,* 9(1). 72-95

Madueme, I.S.(2014).*Enterprenurship Initiatives*. Nsukka. Jolyn Publishers

Obayi, J.I.;Udechukwu, C.N. & Udensi, P.E. (2023). Dibia Mgbọrọgwụ na Mkpaakkwụkwọ and the 21st Century Development Demands in Africa. *Igbo Scholars International Journal of Igboscholars Forum*, Nigeria 16(3), 37-46

Obayi, J.I na Ugbor, G (2024). Nkanụzụ N'Ihe Gbasara Nkuzi na Ọmụmụ Asụsụ Igbo na Ngalaba Mmụta Nzuruọha, Mahadum Naijiria, Nsukka.*International Journal of Arts and Technology Education* (IJATE) 13(1), 48- 52